# IGBO CATHOLIC COMMUNITY, NEW YORK,

# AT ANGELA MERICI PARISH,

# BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 1ST SUNDAY OF LENT (YEAR C)

## SUNDAY, MARCH 10, 2019

**HYMNS:**

**ENTRANCE:** BIAKWUTEM UNU NILE…
**OFFERTORY:** BIA JAA YA MMA/ONYINYE DI MMA
**CONSECRATION:** PAY BACK TIME (I BELIEVE)
**COMMUNION:** MA CHETAKWA…..
**POST COMMUNION:** BIKO NNA KPOCHIGHAA HA
**DISMISSAL:** WELITE ANYA LEE JESU

## IHE OGUGU NKE MBU ewetara n'Akwukwo Diuteronomi 26:4-10

***Isi Okwu: Nkwuputa okwukwe nke agburu a hotara ahota***

Mosis gwara ndi mmadu ahu si: "Onye Ukochukwu ga-anara gi abo ahu were ya doba n'ihu ebe achuaja Chineke gi. N'ihu Onyenweanyi bu Chineke gi, I ga-ekwuputa ihe ndi a: "Nna m bu onye Aramia, buuru ojemba. O jere n'Ijipt icho ebe o ga-eze ndu. Oge ahu, onu ogugu ha di so olemole. Ma ebe ahu ka ha noro mubaa, ghoo nnukwu obodo siri ike ma ndi Ijipt mesoro anyi omume ojoo. Ha ekweghi ka obu ruo anyi ala. Ha jiri aka ike sogide anyi ka ohu. Mana anyi bekuru Onyenwanyi bu Chineke nke nna anyi ha. Onyenweanyi nuru olu anyi, hukwa nsogbu anyi, na ahuhu na mmegbu a-na-emegbu anyi. Onynweanyi gbatiri aka ike Ya, were menye ha oke oma jijiji, na ihe iriba ama na ihe di egwu, bia si n'Ijipt kpoputa anyi. O bu Ya dutere anyi ebe a wee nye anyi ala nke a; ala mmiri ara na mmanu juputara. Onynweanyi, ebe a no ugbu a, ka m na-eweta mkpur mbu nke ala I nyere m." I ga-adoba ya n'ihu Onynweanyi bu Chineke gi, biakwa sekpuoro Dinwenu bu Chineke gi.

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri  Chukwu.

## ABUOMA NA AZIZA YA

***Aziza: Onynweanyi, biko nonyere m na nsogbu m***

1. Onye bi na nchedo nke Onye kacha Elu, biakwa noro n'ime udo nke Onye Ji Ike Nile, na-asi: "Onyenweanyi: Gi bu ebe mgbaba m, ebe siri ike m, Chineke m, Onye m  tukwasara obi" ***Aziza.***
2. Ihe ojoo agaghi adakwasi gi. Oria ogbu n'igwe agaghi erute gi. O nyela ndi Mmuo ozi Ya iwu, ka ha chekwaba gi n'uzo gi nile. ***Aziza***
3. Ha ga-apara gi n'aka, ka I ghara ikpobi ukwu gi na nkume. I ga-azokwasi odum na ajuala ukwu. I ga-eji ukwu zogbuo agu okpo, na agu iyi. ***Aziza.***
4. Aga M azoputa ya n'ihi ihunanya o nwere n'ebe m no. Aga M echekwa ya n'ihi na o maara aha M. Mgbe o kpokuru M, aga M aza ya si: 'Anonyeere M gi'. Aga M azoputa ya n'ahuhu, nyekwa ya otito. ***Aziza***

## IHE OGUGU NKE ABUO ewetara n'Akwukwo ozi Pol di aso degaara ndi Rome 10:8-13

***Isi Okwu: Nkwuputa okwukwe ndi kwere na Kristi.***

Akwukwo Nso kwuru si: "Okwu ahu di gin so. O di gi n'egbugbere onu. O dikwa gi n'ezi obi. Okwu bu okwu nke okwukwe nke anyi na-ekwusa. N'ihi na, o buru na iji onu gi kwuputa na Jesu bu Onyenweanyi; o burukwa na iji obi gi kwere na Chineke bilitere Ya n'onwu, a ga-azoputa gi! I bu okwukwe n'obi na-eduba n'igunye mmadu n'onye ezi omume. Ikwuputa ya n'onu na-eduba na nzoputa. Akwukwo Nso kwuru si: "Onye kwere na Ya, ihere agaghi eme ya" O putara na e nweghikwa ngubosi ozo n'etiti onye Juu na onye Grik. Ha dum nwere otu Onyenweanyi ahu, Onye juputara n'amara maka ndi nile na-akpoku Ya. "Onye o bula kpokuru aha nke Onyenweanyi a ga-azoputa ya."

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri Chukwu.

**MBEKU (**Ebube n'otito diri Gi…….)

O bughi so na nri ka mmadu ji adi ndu, kama o bu site n'okwu o bula si n'onu Chineke puta.

**OZIOMA Luke 4:1-13**

***Isi Okwu: Jesu juputara na Mmuo Nso wee hapu Jodan; Mmuo ewee duru Ya gaa n'ozara***

Ma ebe o bu Jesu juputara na Mmuo Nso, O siri na Jodan laghachi. Mmuo Nso wee duru Ya baa n'ozara. O noro iri ubochi ano n'ozara; ekwensu biara nwaa Ya onwunwa. N'oge ahu, O buru onu, e righi ihe o bula. Ma mgbe oge obubu-onu ahu gasiri, aguu guru Ya. Ekwensu wee si Ya: "O buru na I bu Nwa Chineke, tie iwu ka nkume a ghoo ogbe achicha." Jesu zara ya si: "E dere ya n'Akwukwo Nso si: "O bughi nani achicha ka mmadu ga-eri wee di ndu." E mesia, ekwensu duuru Ya rigoo ebe di oke elu, were otu ntabi anya gosi Ya alaeze nile di n'uwa wee si Ya: "Aga m enye Gi ike na aku na uba nile di n'uwa, biakwa nye Gi ugwueze dum di n'ime uwa, ma o buru na I ga-akporo m isiala biakwa gbuoro m ikpere ala. N'ihi na o bu m ka e nyere ha n'aka. Onye o masiri m, m nye. Ya mere, o buru na I kpooro m isiala, uwa nile ga-abu nke Gi" Jesu wee zaa si ya: "E deela ya n'Akwukwo Nso si: 'O bu nani Onyenweanyi Chineke gi ka I ga-akporo isi ala; o bukwa nani Ya ka iga-efe.' E mesia, ekwensu wee duru Jesu gaa na Jerusalem, wee mee ka O rigoruo n'ebe di oke elu nke Ulo Nso Chineke. Ekwensu wee si Ya: "O buru na I bu Nwa Chineke, si n'elu ebe a wuda n'ala! N'ihi na e deela ya n'Akwukwo Nso si: 'Ndi Mmuo ozi Ya ka O ga-enye iwu ighota G!' Ozo kwa, "Ha ga-ekuru Gi n'elu ubu aka ha, ka I ghara ipiabi ukwu Gi na nkume." Ma Jesu zara ya, si: "E kwuola ya n'Akwukwo Nso si: 'A nwala Onyenweanyi bu Chineke gi.' Mgbe ekwensu nwalesiri Jesu n'uzo di iche iche, o nyeturu Ya efe, na-acho ohere o ga-eji nwaa Ya.

Ozioma nke Oseburuwa.

Otito diri Gi, Kristi.

**FIRST WEEK OF LENT**



Typical of Jesus Christ, he began his public ministry by teaching us of the importance of prayer and fasting. He locked himself up in a desert, away from the distractions, bubbling and fantasies of the World to engage Himself and His God about His Mission. He went to fortify Himself prayerfully for the task ahead. The fruits were enormous because right after the lengthy prayers and fasting, He was tempted and He shunned the tempter. He sure made a fool of the devil and the angels of God were truly proud of him. We are invited to join Him in this year's Lenten observance by withdrawing ourselves from so many things or people that pose a threat to our spiritual and moral growth. Just find time to step aside in your own desert and engage yourself and your God. Make this year's lent fruitful and beneficial to you and your family, friends and relatives and even your neighborhood and this worshipping community. Engage yourself in true and sincere prayers. Ask for the Mercy of God as we celebrate the Year of Mercy. Do not brood over your sins, rather, plan for true confession and do required fasting and penance. Do not let this lenten season pass by without harnessing the spiritual fruits of it. His grace is enough for us as we beckon on Him to teach us how to do a good Lenten observance.

Happy Sunday!!



Produced by the ICC Choir.